# OZI DỊ ICHE ICHE NYE NZUKỌ KRAIST NIILE AHỤ
## Nkpughe 2:1-29; 3:1-22.
### IHE ỌMỤMỤ 460 - Nke NdỊ-okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Anamabia ọsọsọ: jidesie ihe ị nwere ike, ka onye ọ bula ghara inara okpu-eze-gi" (Nkpughe 3:11).**

**I Ozi nke Mbụ, nye Nzukọ Kraist ahụ dị n'Efesọs**

1. Nzukọ Kraist ahụ dị n'Efesọs nwere ọtụtụ ihe ọma ejiri mara ya, Nkpughe 2:2, 3, 6; Abù Ọma 139:1-5; Ndị Galetia 6:9.
2. Nzukọ Kraist ahụ dị n'Efesọs nọ n'ọnọdụ nke ndaghachi azụ; Nkpughe 2:4, 5; Ezikiel 18:24; 33:12, 13, 18; Matiu 26:75; 24:12; Luk 9:62; 2 Ndi Kọrint 11:13-15; 2 Pita 2:1-10, 20.

**II Ozi nke Abụọ, nye Nzukọ Kraist ahụ dị na Smuana**

1. Nzukọ Kraist a bụ ogbenye n'ebe àkụ̀ nke ụwa nke a dị ma bụrụ ogaranya n'ebe Chineke nọ, Nkpughe 2:8, 9; 3:9; Jemes 2:5; Ndị Rom 2: 28, 29.
2. Ekwere nzukọ Kraist a mkwà okpu-eze nke ndụ ma ọ bụrụ na o kwesị ntụkwasị-obi ruo ọnwụ, Nkpughe 2:10, 11; Jemes 1:12.

**III Ozi nke Atọ, nye Nzukọ Kraist ahụ dị na Pagamọs**

1. Kraist toro nzukọ a, Nkpughe 2:13; Matiu 15:28.
2. Abaara nzukọ Kraist ahụ mba n'ihi ịnabata ndị òzízí ụgha, Nkughe 2:14-17; Ọnu-ọgugu 25:2-5; 2 Pita 2:15, 16; Jud 11.

**IV Ozi nke Anọ nye Nzukọ Kraist ahụ dị na Taiataira**

1. Ha nwere ọtụtụ ihe iji too ha, Nkpughe 2:19, 24-29.
2. Atara nzukọ Kraist ahụ ụta n'ihi ikwenye ka Jezebel ná-ezí ihe ma ná-eduhie kwa ụfọdụ ka ha kwaa iko ma rie kwa ihe achụrụ n'àjà nye arụsị, Nkpughe 2:20-23.

**V Ozi nke Ise, nye Nzukọ Kraist dị na Sadis**

1. O nwere aha na ọ dị ndụ, ma ọ nwụrụ anwụ, Nkpughe 3:1; Matiu 7:21; Mak 7:6; Ezikiel 33.
2. Adụrụ ya ọdụ ka o chègharịa. Ụfọdụ ha dị ndị ná-emerụbeghị uwe ha, Nkpughe 3:2-6; Matiu 24:42, 43; 1 Ndị Tesalọnaika 5:2-6; 2 Pita 3:10.

**VI Ozi nke Isii, nye Nzukọ Kraist dị na Filadelfia**

1. Étóró ha debe kwa n'iru ha ọnụ-ụzọ nke emegheworo, Nkpughe 3:7-9; 1 Ndi Kọrint 16:9.
2. Ekwere ha ọtụtụ mkwà, Nkpughe 3:10-13; 21:2-7.

**VII Ozi nke Asaa, nye Nzukọ Kraist dị na Leọdisia**

1. Nzukọ Kraist a dị ñara ñara ma nọọ kwa n'ọnọdụ nke ịbụ ihe Chineke ga-agbụpụ site n'ọnụ Ya, Nkpughe 3:14-17; 2 Ndi Eze 10:31; Hosea 10:2.
2. Abaara ha mba dụ kwaa ha ọdụ ka ha zụrụ ọlaedo nke eji ọkụ nụchaa, Nkpughe 3:18-22; Ilu 30:12; 1 Ndị Kọrint 4:8; Luk 18:9-14.

## NKỌWA DỊ ICHE ICHE

**Nzukọ Kraist Asaa ahụ**

N'ihe ọ̀mụ̀mụ̀ a anyị nwere ozi ezigaara nzukọ Kraist asaa ahụ dị iche iche nke dị n'Esia.

Nke ọ bụla nime akwụkwọ-ozi asaa ahụ na-amalite na "Amataram ọlu-gi nile." Nke ọ bụla nwere mkwà nke sitere na Kraist: "Onye nēmeri emeri." Nke ọ bụla na-akwụsị na: "Onye nwere ntị ya nu ihe Mọ Nsọ nāgwa nzukọ Kraist."

Ụfọdụ échèwo na nzukọ Kraist asaa ahụ bụ ihe ná-anọchite anya ọgbọ dị iche iche nke nzukọ Kraist malite n'oge nke Jọn ruo n'ọbịbịa nke Onyenweanyị. Ndịọzọ na-echè na ha na-anọchite anya Nzukọ Kraist niile, nke gbasara n'elu ụwa niile dịka ọ na-adị n'ọgbọ niile. Otú ọ dị, nzukọ Kraist asaa ndịa, bụ ndị dị n'oge ahụ Jọn dere akwụkwọ a.

Onye-ọ̀zụ̀zụ̀ atụrụ ọ bụla, nzukọ Kraist ma ọ bụ mmadụ ọ bụla pụrụ ịchọta ndụmọdụ kwesịrị ekwesị nye ọnọdụ ọ bụla nime ozi ndịa.

Ọ bụ omume nke Onyenweanyị iburu ụzọ wepụta ihe ahụ nke Ya Onweya na-akwagide, mgbe ahụ O wee gosipụta erughi eru niile ahụ.

**Nzukọ Kraist ahụ dị n'Efesọs**

Efesọs bụ obodo amaara nkeọma n'ihi ụlọ chị ahụ bụ́ Daina, otù nime ihe ebube asaa ahụ nke ụwa mgbe ochie.

Pọl nọrọ ihe karịrị arọ abụọ n'Efesọs ná-ezisa Oziọma. Ewukwasịrị otù nzukọ Kraist siri ike n'ebe ahụ. Amatara ya nkeọma n'ihi ịhụn'anya ya na ịnụọkụ n'obi ya ma bụrụ kwa nzukọ Kraist nke ná-aga n'iru karịa ndịọzọ nime Esia niile. N'ebe a ka Jọn nọrọ na mgbe agadi ya. Onye ahụ nke ná-ejide kpakpando asaa ahụ ma ná-ejégharị kwa n'etiti ihe ịdọba oriọna ndị ahụ chọpụtara n'Efesọs ezi ọlụ, ịdọgbu onwe n'ọlụ, ntachị-obi, ịnọgidesi ike na imegide ihe ọjọọ, ikwesị ntụkwasị-obi na ịnọgidesi ike n'ọ̀zụ̀zụ̀, obi ụtọ n'ibu ibu-arọ ọ bụla n'ihi Kraist, na ịkpọ omume na ihe niile ahụ asì bụ́ nke Kraist na-akpọ asị.

Ọ dị ihe dị ka mmadụ inwe ike ịtụle ihe dị iche n'etiti eziokwu na ụgha, inwe ikpé ziri ezi n'ihe nsọ niile, inwe ịnụọkụ n'obi na iji onwe onye chụọ àjà n'ịhụn'anya dị omimi nye ezi ihe na eziokwu, na mmadụ isite n'aka ndị ozi ụgha na ndị ná-eme ihe ọjọọ wezuga onweya, ma nọrọ kwarị ná enweghị ịkpo ọkụ na ịdị ọcha nke ịhụn'anya ahụ nke jupụtara obi mgbe mbụ ahụ amụrụ mmadụ ọzọ. Anyị pụrụ inyebiga onweanyị ókè n'ịlụ ọlụ anyị nye nzukọ Kraist nke na anyị ga-ekwe ka ịhụn'anya mbụ ahụ pụọ n'obi anyị. Nke a bụ ihe Onyenweanyị nwere megide nzukọ Kraist ahụ dị n'Efesọs. Adụrụ ha ọdụ́ ka ha chègharịa ma lụọ kwa ọlụ mbụ ha ọzọ, ma ọ bụghị otú a Ọ ga-ewepụ ihe ịdọba oriọna ha n'ọnọdụ ya.

Onye ná-emeri emeri ka Ọ ga-ekwenye ka o rie mkpụrụ nke sitere n'Osisi nke Ndụ ahụ bụ́ nke dị na Paradais nke Chineke. N'ebe a ka anyị na-ahụ Osisi nke Ndụ ahụ nke Chineke debere n'ogige Iden, ka ọ na-eto nime Paradais nke Chineke – Paradais enweghachiri. Ihe ahụ nke etufuru site n'ọdịda nke Adam ka á ga-enwetaghachi site na Kraist.

**Nzukọ Kraist ahụ dị na Smuana**

Nzukọ Kraist dị na Smuana bụ ogbeye n'ihe banyere ego, ma Onyenweanyị sịrị na ha bụ ọgaranya: ọgaranya n'okwukwe, ọgaranya n'ịhụn'anya. Ha agabigawo ọtụtụ mkpagbu. Ndị Ju na-ekweghị ekwe na-akpagbu ha. Pọl sịrị na ya abụghị onye nke bụ́ onye Ju n'anụarụ, kama onye Ju nime mmụọ. Onyenweanyị gwara ha na ọtụtụ mkpagbu na-echere ha, ma ha ga-adị náání nwa oge. Ekwensu ga-atụba ụfọdụ nime ha nime ụlọ mkpọrọ. Agwara ha ka ha kwesị ntụkwasị-obi ruo ọnwụ na ha ga-anata kwa okpueze ahụ nke bụ́ ndụ.

Mgbe ụfọdụ Onyenweanyị na-ekpu atụ̀màtụ̀ nke ekwensu iru n'ala wee na-emezu nzube nke Ya Onweya iji mee ka mmadụ bụrụ onye meriri emeri. "Chineke na-ayọcha ma na-afụcha kwa mmadụ ka O wee kewapụta mkpụrụ ọka ya n'ebe ịgbogbo ya dị," ka otù onye odeakwụkwọ na-ekwu, "ma ekwensu na-ayọcha ya ka ewee ghara ịhụ ihe ọzọ nime ya ma ọbụghị náání ịgbogbo ọka"

Ọ bụ na Smuana ka akpọrọ onye nsọ ahụ bụ́ Pọlikap (Policarp) ọkụ n'osisi. Tupu ha amụnye ọkụ ná nkụ́ ndị ahụ, ndị ahụ na-ekpe ya ikpe gwara ya ka o kwugharịa ihe o kwuru na mbụ. Emere ka okwu ọma ya rute anyị aka: "Iri arọ asatọ na isii ka m'feworo Onyenweanyi ma ọ dịghị mgbe O mejọrọ m, òlee otú m'ga-esi kwulue Ezem na Onye-nzọpụtam?"

**Nzukọ Kraist ahụ dị na Pagamọs**

N'oge ahụ edere Nkpughe ahụ Pagamọs bụ obodo ndị-eze ọgaranya bụ́ ndị jiri ọtụtụ ụlọ mara mma, ụlọ chi na osisi arụsị dị iche iche wee chọọ ya mma. O nwere ọbá akwụkwọ nke apụrụ iji tụnyere nke dị n'Alexandria. N'ebe a ka achọpụtara ihe eji ede ihe nke esiri n'akpụkpọ atụrụ ma ọ bụ nke ewu mepụta (Parchment) iji dee akwụkwọ. Ọ bụ obodo nke jupụtara n'ụlọ ikpere arụsị dị iche iche na okpukpé anụarụ, n'ihi nke a o wee bụrụ oche-eze nke setan.

Ọ bụ ezie na n'etiti ikpere arụsị ụfọdụ edebewo okwukwe ahụ. Ma ha rapụrụ ịchụpụ n'ọgbakọ ha ndị ahụ ná-ejidesi "ozizi Belam" ike. Mgbe Onyenweanyị na-ekweghị ka Belam kọchaa Ụmụ Israel, ọ chọkwararị ka ya na Belak dịgide ná mma, o wee kuziere Belak otú ọ ga-esi debere Ụmụ Israel ihe ịma n'ọnya. Onyenweanyị weere mma agha ahụ amịpụtara igbu Belam.

“Onye nēmeri emeri, ya ka M’gēnye ufọdu nime manna ahu nke ezobeworo, M’gēnye kwa ya nkume ọcha, n’elu nkume ahu ka edewo-kwa-ra aha ọhụ.” N’ụlọ ikpé, ha na-enye mmadụ nkume ọcha mgbe arapụrụ onye ahụ ka ọ laa n’udo na nkume ojii mgbe amara ya ikpé.

**Nzukọ Kraist ahụ dị na Taiataira**

Nzukọ Kraist ahụ dị na Taiataira edebewo ịhụn’anya na okwukwe ya ma gaa kwa n’iru n’ijéozi ya nye Onyenweanyị. Ọlụ ya dị ukwuu ugbu a karịa na mbụ. Ọ dị nnọọ iche n’ebe Nzukọ Kraist ahụ dị n’Efesọs nọ, bụ́ ebe ndị ọgbakọ ha rapụworo ịhụn’anya mbụ ha na kpọọ kwa mmehie na òzízí ụgha asị.

Nzukọ Kraist ahụ dị na Taiataira na-anagide otù nwanyi kpọrọ onweya onye amụma nwanyị ka ọ na-eduhie ndị nsọ ịbanye n’ikpere arụsị na mmehie. Jezebel nke mgbe ochie dubara ndị Israel n’ikpere arụsị ma chịa kwa Israel otú o siri masị ya. Enyere ya ohere ichègharị ma ọ jụrụ ajụ. “Onye anābara nba ọtụtụ mgbe ma ọ nēkwesi olu-ya ike, n’otù ntabi-anya ka agetipia ya, ọ digh kwa ngwọta di” (Ilu 29:1). Chineke kwere mkwà na Ya ga-ezite ikpé Ya ọsọsọ, na nzukọ Kraist niile ga-amara kwa na Onyenwanyị emewo ya.

Ndị ahụ ná-anarabeghị òzízí ụgha ahụ ka adụsịrị ọdụ́ ike sị, “ihe unu nwere, jidesienu ya ike rue mgbe M’gābia,” na Ọ ga-enye ha ike ịchị mba niile.

**Nzukọ Kraist ahụ dị na Sadis**

Sadis nwere aha na ọbụ nzukọ Kraist dị ndụ, ma Onyenweanyị sịrị na ọ nwụrụ anwụ. Ọ pụrụ ịbụ na o nwere ụdị nke Chineke n’ile ya anya ma Onyenweanyị na-ele anya n’obi. Ọ dịghị ka ha nwere òzízí ụgha ọ bụla bụ́ nke ha na-agbaso mgba nime nzukọ ma ọ bụ n’ezi. Ha nwụrụ nnọọ anwụ nime mmụọ nke bụ na ekwensu achọghị ịtụfu oge ya n’ebe ha nọ. Ha dị ole na ole nime nzukọ Kraist ahụ bụ́ ndị ná-emerụbeghị uwe nwụda ha, ndịa ka Onyenweanyị sịrị na ha ga-eso Ya ná-ejégharị n’uwe ọcha.

**Nzukọ Kraist ahụ dị na Filadelfia**

Filadelfia pụtara “ịhụn’anya nke ụmụnna.” Mgbe ndị òtù okpukpé á na-akpọ Kweika (ma ọ bụ Quakers) bịara n’Amerika ịchọta ebe obibi ebe ha ga-anọ na-ekpere Chineke n’inwere onwe, ha chọtara otù obodo wee kpọọ ya Filadelfia. Ha gbalịrị itinye ịhụn’anya nke ụmụnna n’ọlụ site n’igosị obiọma na ịhụn’anya n’ebe ndị Indịa nọ na-agwa kwa ha ihe banyere ezi Chineke ahụ.

N’arọ ole na ole gara aga mgbe òtù mba ụwa á na-akpọ United Nations mere ememe ha jiri gbaa arọ iri, onye Protestant, onye Ju, onye Buda na ndịọzọ jikọtara ọnụ, ebe onye ọ bụla kpere ekpere dị iche nye chi ya. Nke ahụ ọ̀ bụ ịhụn’anya nke ụmụnna? É-è! Nke ahụ bụ mkwekọrịta ná-ezighị ezi. N’ụbọchị taa ha na-akpọ ya mmadụ ịnagiderịta okpukpé ibe ya. Onyenweanyị kwuru ya nkeọma n’Okwu Ya, “Gi enwela chi ọzọ tinyerem.”

Iwu nke ijéozi ukwu ahụ nke Jisọs nyere bụ, “Ganu n’uwa nile, kwusara ihe nile ekère ekè oziọma nkem.” Ọ gwara nzukọ Kraist nke dị na Filadelfia na Ya edebewo n’iru ha ọnụ ụzọ nke emegheworo, nke mmadụ ọ bụla ná-apụghị imechi. Ìhè nke Oziọma n’ụbọchị ndịa amụkwasịwo ụwa niile. “Agēkwusa kwa ozi ọma nke a nke ala-eze elu-igwe n’elu-uwa dum madu bi, ka ọ buru àmà nye mba nile; mgbe ahụ ka ọgwụgwụ ihe nile gēru kwa” (Matiu 24:14).

Mgbe ọ bụla ịhụn’anya nke Chineke na-ere dịka ọkụ n’elu ebe ịchụ àjà ahụ nke dị n’obi á ga-enwe ezi ịnụọkụ n’obi ịhụ na amụbatara ọtụtụ mkpụrụ-obi ndịọzọ n’Alaeze Chineke. N’ihi na ha edebewo okwu ntachiobi ahụ nke Onyenweanyị, O kwere mkwà idebe ha ka ha ghara ịbà n’oge hour nke ọnwụnwa ahụ, nke gaje ịbịakwasị elu ụwa niile ịnwa ndị bi n’elu ụwa. Ọ na-eju anyị anya ka ọ bụ na oge hour ahụ aka-abịakwasịghị anyị. Onyenweanyị na-aga n’iru ná-asị, “Le anamabịa ọsọsọ jidesie ihe i nwere ike, ka onye ọ bụla ghara inara okpu-eze-gi.” Ọtụtụ mkwà dị óké ọnụahịa na-echere onye ná-emeri emeri.

**Nzukọ Kraist ahụ nke dị na Leọdisia**

Nke a bụ nzukọ nke ná-ajụghị oyi ha ekpoghi kwa ọkụ. Ọ fọdụrụ ntakịrị nzukọ a ewee daa n’ụra nke mere na ọ nọ n’orù ụra. Ọtụtụ mgbe ozi á na-ezigara nzukọ na-ajụ oyi ná-atụte ya ime ka ọ bịaghachi n’ọnọdụ ịnụọkụ, ma ọ dị ike ịkpọlite onye nọ n’òrù ụra. Mmiri dị ñara ñara na-akpata ịgbọ agbọ. Nzukọ nke dị ñara ñara bụ́ ihe Chineke kpọrọ asị.

Nke a bụ nzukọ nwere afọ ojuju nime onweya. Ha nwere ọtụtụ àkụ̀ nke ụwa nke a; ha chèrè na ọ dịghị ihe ọ bụla ná-akpa ha, ọbụná ịchọ itó etó n’òfùfè (nke Chineke). A! ebere nke Chineke. Ọ ka na-eguzo ná-akụ kwa aka n’ọnụ-ụzọ obi nke ndị ahụ nọ n’ọnọdụ á ga-asị na ọ fọdụrụ ntakịrị ka Ọ gbụpụ ha n’ọnụ Ya. Ọ bụrụ na ha

ga-eteta n’óké ụra ha Onyenweanyị ga-eyikwasị kwa ha ákwà ọcha isoro Ya nọdụ ala n’Ocheeze Ya nime Alaeze Ya.

**Mkwà dị iche iche nke Chineke**

Mkwà niile nke Chineke na-eguzosi ike. N’ozi ndịa niile nke ezigaara nzukọ Kraist dị iche iche anyị na-ahụ na ọnọdụ ọ bụla nke enwere bụ nke ọ bụ ihe dị mfé mmadụ ịbà nime ya, site ná ndụ nke ịdị nsọ baa ná ndụ nke mmehie, iweda n’ọnọdụ dị ala na ikwenyere ụgha. Iru ọchị nke mkwàgide Chineke na-adịnyere ndụ dị ọcha na nke edowokwara nsọ. Ebere Ya ka ana-agbasa nye ndị mmehie na ndị nnupụ isi, na-enye ha ohere ka ha chègharịa. Ọ dịịrị anyị ikpebi banyere otù nke á ga-achọta anyị nime ya mgbe Onyenweanyị ga-abịa.

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Ndịa hà bụ nzukọ Kraist n’ezie, òlee kwa ebe ha dị?
2. Òlee nzukọ Kraist ahụ nke kachasị ukwu?
3. Òlee nzukọ Kraist ndị ana-ekwughị ihe ọ bụla megide?
4. Òlee nke rapụworo ịhụn’anya mbụ ha?
5. Òlee nke dị ñara ñara?
6. Kọwaa ihe mere Onyenweanyị ga-eji chọọ ka ọ jụọ oyi ma ọ bụ ka ọ ná-ekpo ọkụ.

Gụpụta mkwà dị iche iche nke ekwere ndị ná-emeri emeri.